# ỌNỌDỤ NTỤLIAKA ỌCHỊCHỊ NAỊJIRỊA: NZIPỤTA NA NTỤCHA ỤFỌDỤ ABỤ EDERERE IGBO

**By**

**Daniel C. Okoye**
Department of Igbo, African and Communication Studies
Nnamdi Azikiwe University, Awka, Anambra State
cdanielokoye@gmail.com

**Prof. Nkoli M. Nnyigide,**
Department of Igbo, African and Communication Studies
Nnamdi Azikiwe University, Awka, Anambra State
nm.nnyigide@unizik.edu.ng

**Rev. Fr. Dr. Patrick Umezi**
Department of Igbo, African and Communication Studies
Nnamdi Azikiwe University, Awka, Anambra State
pi.umezi@unizik.edu.ng

**Ụmịedemede**

Naịjirịa bụ otu n'ime obodo kacha nwee ọnụọgu mmadụ n'Afrịka, ma nwekwazịa akụkọ ndọrọndọrọ ọchịchị dị omimi zutere oge ọchịchị ndị mbịarachịwa, nke nnwereonwe, ndị agha, tupu ọ banyezịa na usoro ọchịchị onye kwuo uche ya nke ugbua. Ọchịchị onye kwuo uche ya na-enye ndị a na-achị achị ikike ịhọpụta ndị ndu maara ihe ekwe na-akụ n'ọrụ ndọrọndọrọ ọchịchị na ọchịchị obodo; mana ntụliaka ọchịchị Naịjirịa gara n'ihụ bụrụ nke jupụtaara na mpụ, ọgbaghara na mwufu ọbara nakwa anaghị emezu nkwa erere ọchịchị e kwere mgbe a na-achụ nta nkwado. Agụmagụ Igbo, ọkachasị abụ, abụrụla ngwa ọrụ dị mkpa e ji enyochaa ọnọdụ ndị a. Abụ, dị ka agụmagụ nka, abụwo enyo na-egosipụta ahụmịhe ndị mmadụ, na-akọwapụta mmejọ ọchịchị, ma na-ekpughe mgbagwoju anya ndọrọndọrọ ọchịchị. Site na atụtụ enyo ndụ nke na-ekwusi ike na agụmagụ bụ mpụtara ihe ndị na-eme eme na ihe ndị mmadụ na-agabiga n'obodo ha, nchọcha a gbalịrị izipụta ka ndị odeabụ Igbo si akọwa ma na-akatọ nsogbu ntụliaka ọchịchị Naịjirịa n'ọrụ ha. N'ime nke a, a tụchara *Pọltiks* nke Okediadi, N dere na *Ndọrọndọrọ Naịjirịa* nke Anozie, C dere. A chọpụtara na nsogbu ndị na-apụtakarị ihe na ntụliaka ọchịchị Naịjirịa site n'anya abụ ederede Igbo bụ ire na ịzụta vootu, nkewa agbụrụ, ime ihe ike dị ka ọgbaaghara na tigbuo na zọgbuo, nrụrụaka na nkwa efu. Ọ bụghị naanị mwute banyere ọnọdụ ndị ka ndị odeabụ gosipụtara, kama ha na-akpọ oku ezi mgbanwe, ime ihe ziri na kwa enyemaka Chineke.

**Ọkpụrụkpụ okwu:** Ntụliaka Ọchịchị, Naịjirịa, Abụ Ederede, Igbo

**Abstract**

Nigeria is one of the most populous countries in Africa, and it also has a deep political history that has passed through the eras of colonial rule, independence, millitary regimes and transitions into the present democratic system. Democracy, in principle, allows citizens to elect leaders and hold them accountable; however, Nigerian electoral process has been persistently marred by corruption, violence, and unfulfilled promises. Igbo literary works, particularly poetry, provide a critical lens for examining these realities. Poetry, as an artistic form, has long served as a cultural mirror, reflecting social experiences, critiquing governance and exposing political contradictions. Drawing on the mirror image theory, which posits that literature functions as a reflection of society, this study analysed Okediadi's *Pọltiks and* Anozie's *Ndọrọndọrọ Naịjirịa* as tools for interrogating Nigeria's electoral processes. The findings revealed

recurring themes of electoral malpractice, including vote-buying, ethnic divisions, violence, corruption, and unfulfiled promises. The poets not only depicted the frustrations and struggles of ordinary citizens during eleection but also act as voices of conscience, calling for accountability, justice, and divine intervention in the nation's affairs. The study concludes that Igbo poetry provides a significant cultural record of Nigeria's democratic challenges, offering both critique and hope, and recommends further scholarly attention to its role in political discourse.

**Keywords:** Election, Nigeria, Igbo, Poetry

**Ndubanye**

Kamgbe Naịjirịa nwetara nnwereonwe n'afọ 1960 site n'aka ndị mbịarachịa, onweela mgbanwe ndọrọndọrọ ọchịchị dị iche iche, site n'ọchịchị ndị nkịtị banye n'aka ndị agha, ma sikwa n'aka ndị agha banye n'aka ndị nkịtị nke ọchịchị onye kwuo uche ya ugbua. N'ebe e nwere usoro ọchichị onye kwuo uche ya n'ezie, ndị mmadụ na-ekpebi ma họrọ ndị ndu ha, ndị isi ha ga-aza ajụjụ nye ha. Ndị mmadụ na-ekpebi onye na-anọchite anya ha n'ụlọ omeiwu na onye ga-achị ọchịchị n'ogo gọọmenti etiti, steeti na ime obodo.

Echiche ndọrọndọrọ ọchịchị Naịjirịa na-apụtakwa ihe n'ọtụtụ agụmagụ ederede Igbo. Agụmagụ, n'akụkụ nke ya, bụ echiche miri emi nke mmadụ chere gbasara isiokwu ọ bụla nke e jiri asụsụ nka kọwapụta. Agụmagụ bụ ugogbe a na-ahụta na ndụ mmadụ ma ọ bụ na ndụ ndị obodo. Dị ka Okoye (2023:28) siri zipụta, agụmagụ dị ka njem nke ndị kpuru isi gara n'izute enyi. O kwuru na onye ọ bula kọwara enyi site n'echiche banyere ebe o metụrụ aka. N'ihi nke a, e nwere ike isi ọtụtụ ụzọ wee kọwaa agụmagụ. E nwere ike hụta agụmagụ dị ka nke gụnyere ejije, iduuazị, abụ. Ma ọ bụkwa ihe ọ bụla e dere ede banyere isiokwu ọ bụla. Mbah na ndị ọzọ (2013:2) kọwara na agụmagụ bụ ọrụ nka a kọwapụtara n'ụzọ ederede ma ọ bụ agụrụagụ bụ nke na-akọ maka ndụ na obibi ya. ihe nke a pụtara bụ na n'agbanyeghị etu ma ọ bụ ọwa e siri zipụta ọrụ nka na ọ bụ agụmagụ ka a ga-akpọ ya. Site na nkọwa nke a, ka e ji asị na agụmagụ bụ ihe niile e dere ede ma ọ bụ ihe niile a kọrọ n'ọnụ n'ime otu obodo ma ọ bụ n'otu oge. Ndị Igbo na-ahụta agụmagụ dị ka: akụkọ, abụ, ejije, ilu, ukabuilu, agwugwa na akụkọ na-akọwa maka ndụ mmadụ.

Abụ, dị ka ụdị agụmagụ nka, na-arụkarị ọrụ dị ka ngwaọrụ e ji eme nrụrịtaụka, akpọ ganị ganị, ma na-enye nkọwa na nkwusa okwu banyere ọnọdụ ndọrọndọrọ ọchịchị. N'ihe gbasara omenala Igbo, e ji abụ akọwapụta ahụmụihe ndị mmadụ, itinye aka na ndọrọndọrọ ọchịchị na ihe iche aka mgba na-echere ọchịchị obodo n'ihu.

Abụ bụ ụdị agụmagụ na-apụta ihe dị ka ihe odide jupụtara na nkamma. Ọtụtụ mgbe ọ bụ ọwa dị mkpịrịsị esi ekwuputa okwu banyere ihe na-eme n'obodo ọkachasị etu o siri metụta ọha mmadụ. Site n'iji ihe atụ dị ka mbụrụ, ọdịmara na enyookwu, ndị odeabụ na-ekwupụtakarị echiche ha n'ihe gbasara ọnọdụ ndọrọndọrọ ọchịchị.

Abụ bụ echiche dị omimi eji asụsụ nka hazie na mkpịrịsị na mkpịrịsị nke mma ya na-aputakarị ihe n'ọnọdụ ntụgharị uche. Nwadike (1992:38) sịrị na abụ bụ ihe odide ma ọ bụ ọgụgụ si n'uche pụta nke e dere ma ọ bụ gụọ n'ụzọ dị mkpịrịsị, tụmadụ nke na-akọwa echiche dị omimi ma ọ bụ nke ezi uche n'asụsụ na-enweghị atụ iji gosipụta ihe mere eme ma ọ bụ ihe a na-ele anya gaje ime eme. Ihe nkọwa a na-eme ka anyị mata bu na eji asusu dị ọgọ ezipụta abụ nke mere ka ọ dị iche n'agụmagụ ndị ọzọ. N'echiche ụfọdụ ndị ọkammụta, abụ bụ ụzọ pụrụ iche mmadụ si ezipụta ọnọdụ na mmetụtaobi ya. Nnyigide (2024) kwuru na ihe ndị pụtara ihe na nkọwa a bụ na abụ na-enwe nhazi pụrụ iche, echiche miri emi na mmetụta obi. N'echiche nke ya, Anozie (2007:14) kọwara na abụ bụ otu ụdị agụmagụ juputara na nka, mmadụ ji akọwa ndụ ekere na ihe ndị ọzọ a na-ahụ na-eme n'ụwa. E nwekwara ike ịkọwa abụ ederede dịka abụ otuu onye chepụtara n'isi ma detuo n'akwụkwọ. A maara oge ọ malitere n'ihi na a na-edetu ya n'akwụkwọ. Odee abụ na-ahọ okwu ahọ wee detuo ya n'usoro ọ na-agaghị adị ofeke mfe na nghọta. Ọ na-emetụ aka na ndụ mmadụ na ụwa anyị nọ n'ime ya. O nweghị onye ide abụ bụ ọrụ ya iche (Ikwubuzo na Igboanusi, 2020:23).

Ya mere, abụ bụ ọpuruiche ụdị agụmagụ nka a haziri nke ọma karịa iduuazị, nke na-eji ndanusoro na ịma mma nke nkaasụsụ dị ka mita, ụda na ọdịmara arụ ọrụ iji kpalite nghọta na mmetụta ahụ. Abụ ederede Igbo abụrụla ihe eji a kwara ngwaọrụ n'ịkọwa ndọrọndọrọ ọchịchị na Naịjirịa na ihe dum na-adapụta na ya.

**Ntulekọrịta Agụmagụ**

Oteela ihe na-eme n'ala anyị bụ Naịjirịa ji apụta ihe n'abụ, ọ kachaasị abụ ederede Igbo. Oraegbunam (2023:9) kwuru na kamgbe abu ederede Igbo malitere n'afọ 1975, ọtụtụ ihe gbasara ọhanaeze n'oge a gara n'ihu na-adọta uche ndị odeabụ, otu n'ime ya bụ okwu nrụrụaka nke butere ajọ ọchịchị na Naijiria. Dị ka ọmụmaatụ, ndị mbụ bụ ụmụafọ Naịjirịa malitere edemede abụ n'asụsụ Bekee ejirila abụ kwupụta ọchịchị ndị mbịarachịwa ndị isi ojii, nrụrụaka na ọchịchị aka ike, ndị juputakwara na nkatọ ndọrọndọrọ ọchịchị n'ime edemede nka ha.  Etu a ka ọdịkwazị n'ebe ndị mbụ dere abụ igbo nọ. Ha ji ihe na-eme n'oge ahụ mere echiche abụ ha.

Nnyigide (2013:176) kọwara na

> Agbụrụ ma ọ bụ obodo dị iche iche nwere ụzọ dị iche iche ha si akatọ ọchịchị nchịgbu ma na-ebuso akparamagwa ọjọọ dị iche iche agha. Ụfọdụ obodo kwenyere n'iji egbe na mma wee chụọ mpụ na arụrụala na-aga n'ọha obodo ọsọ. Mana ndị odee, ndị na-eti egwu, ndị na-emepụta ejije, dgz. N'esite n'ọrụ nka ha were akatọ akparamagwa ọjọọ dị iche iche na-aga n'ọha obodo. Ha na-esite n'ọrụ nka ha wee na-arụtụ aka n'ihe dị iche iche na-eme na gburu- gburu ha dị ka: ndọrọndọrọ ọchịchị, agụmakwụkwọ, ahụike, nchekwa, ọnọdụ akụnaụba, dgz. Mbọ ha na-agba bụ ka e site n'ọrụ nka ha wee kwalite udo, nchekwa, nkwusiike na ọganiihu obodo (176).

Abụ ederede Igbo na-akatọ ajọ ọnọdụ ntụliaka ọchịchị Naịjirịa.  Ndị odeabụ Igbo, dị ka ndị odeabụ n'asụsụ ndị ọzọ na-ejikarị ikpe akwara ngwaọrụ n'ọnọdụ a. Ikpe bụ okwu ma ọ bụ ederede ndị ahụ eji akatọ ihe ọjọ n'eme n'obodo, ndi e nwere ike isi na ngalaba ma ọ bụ atụmatụ agụmagụ dị iche iche wee zipụta.

Nwadike (2003:106) kọwara na ikpe bụ;

> Nkọrọmọọnụ nke e sitere n'ụzọ egwu na amụ, ekwuechezọ, akaje, emu, mkparị na oyiri ha ndị ọzọ wee na-akatọ mọọbụ na-agba n'anwụ, ajọ ihe na ajọ omume na nzuzu. Ikpe anaghị eji mba, ọgụ na mgba, okwu na ụka mọọbụ esemokwu aga.  Mgbe ụfọdụ a na-apụta ihe, kwuo hooha ihe a chọrọ ikwu, ma mgbe ụfọdụ kwa, a na-ekpu ekete n'isi gwa eze' ihe a chọrọ ịgwa ya. Ikpe na-arụ orụ dịka ihe e ji agbazi omume gbagọrọ agbagọ ndị mmadụ na-eme. E ji ikpe eme ka ọhanaeze guzosie ike n'akparamagwa ha maka na onye mewechaa ka ọ sọrọ ya, obodo eree ka ogiri. Ya bụ, na ihe ndị na-akpọlite ikpe n'ọhaobodo bụ ajọ akparamagwa ndị mmadụ na usoro ihe ụfọdụ na-adabachaghị adaba. (106).

Ekwealor (2009:29) kwadoro nke a site n'ịsị na abụ ikpe dị ka ụdị abụ e ji akatọ ihe ọjọọ dị iche na ndụ mmadụ ma ọ bụ n'etiti ọhanaeze. Ọrụ abụ ndị a na-abụkarị ịhazi ndụ ụmụ mmadu site n'ịgba agwa ọjọọ n'anwụ. Obi (2009:60) kwuru na agụmagụ na-enyochapụta obodo ma na-akatọ akparamaagwa ọjọọ ụmụ mmadụ na-akpa. Ha na-esitekwa na ya were na-akatọ akparamagwaa ọjọọ dị iche iche ndị mmadụ, gọọmenti, ndị isi ọchịchị, dgz. na-akpa.

**Ntụliaka Ọchịchị/Nhọpụta**

Oge ọ bụla a na-ekwu maka ndọrọndọrọ ọchichị na ọchịchị obodo ọ bụla, ntụliaka ma o bụ nhọpụta na-esekarị n'elu dị ka ete nke esi na ya aga na nkwụ. Ihe nke a pụtara bụ na agaghị akọsị maka isiokwu nchọcha a ghara imetụ aka na ntụliaka nke ọ bụ site na ya ka esi enwe ọchịchị obodo nke usoro ọchịchi onye kwuo uche ya. Ntụliaka ma ọ bụ nhọpụta bụ ihe dị mkpa nke usoro ọchịchị onye kwuo uche ya. ọ bụ ụzọ e si ahọpụta ndị ndu obodo nke gọvụmentị.

Dị ka Mmaduabuchi (2015:201) siri kwuo, ntụliaka ọchịchị na-enye ọchịchị onye kwuo uche ya ndụ. Ntụliaka bụ usoro ndị mmadụ ji ahọrọ ndị isi ha, ma sitekwazịa etu ahụ wee gosi amụma ọchịchị masịrị ha site na ịtụ vootu. Okwu banyere nkwa aghụghọ ndị ndọrọndọrọ ọchịchị na-eji enweta ọtụtụ mmadụ ịtụnyere ha vootu aghọwo ụzọ aghụghọ zuru ụwa ọnụ, ya mere ndị a na-achị achị kwesịrị ịtụ vootu maka ndị nwere ntụkwasị obi na ezigbo agwa. Mbata na Nwizu (2023:68) Kọwara na ndị ndọrọndọrọ ọchịchị Naịjịrịa ụfọdụ ga-ekwe nkwa ọtụtụ ihe ha ga-eme, mana mgbe ha tuuru ugo na ntụliaka, enweghị nke ha ga-echeta. Ma mmiri na ọkụ eletrik ha kwere nkwa na ọ ga-abụ n'efu o nweghịzị nke ha ga-emezu.

Nsogbu ọzọ na-apụtakarị ihe na ntụliaka nke ndọrọndọrọ ọchịchị Naịjịrịa bụ nrụrụaka iji ego wee rịọta mmadụ vootu nke ga-eme ka ọ tunyere onye n'abụghị obi ya; nke a kpọrọ ịtụ na ire vootu. Ịzụ vootu bụ ụzọ ndị na-egwu okwe ndọrọndọrọ ọchịchi ji arịọta ndị na-atụ nkwado ma ọ bụ ka ndị na-atụ vootu mee ihe ha chọrọ. Ọ di n'ụdị dị iche iche, ya bụ: ego, ihe onyinye, nkwa adịgboroja, na ụzọ ọjọọ ihe ndị ọzọ. Ịzụta vootu bụ ndị na-atụ vootu ịnata uru na ihe onwunwe site n'aka ndị ndọrọndọrọ ọchịchị iji kwalite nkwado ntụliaka (Carreras na Irepoglu, 2013:611). Ọ gụnyekwara ịkwụ ndị na-atụ vootu ụgwọ iji kpalie ha ka ha tunyere otu onye (Nichter, 2014). Ịzụta vootu bụkwa azụmahịa dị ka ịzụrụ na ire ngwa ahịa dị ka akpụkpọ ụkwụ, akpa, na ihe oriri dabere na ọchịchọ na ịnye ya ka ndị na-atụ vootu dị njikere ire ebe ndị na-azọ ọkwa ọchịchị dịkwa njikere ịzụta.

Oge achụmnta nkwado na nkwadebe ntụliaka ọchịchị na-abụkarị nke na-ekwo ekwo ka mmiri ma na-ekpo ọkụ n'ihi na ndị ndị ọchịchị na-agba mbọ ịhụ na ndị ha chọrọ meriri. Mbata na Nwizu (2023:65) kwuru na ndọrọndọrọ ọchichi nke no n'ụkpụrụ ọchịchị onye kwuo uche ya nyere ohere ka ndị ndị ndọrọndọrọ ọchịchị na otu ha gaa chụọ nta nkwado, gosi ọhanaeze ihe ha chọrọ ịrụ. Mana a bịa na na Naịjịrịa, achụmnta nkwado bu nke na-ejupụta n'ịpịrita aka ọkpọ n'etiti ndi otu ndọrọndọrọ ọchịchị dị iche iche. ọtụtụ mgbe, a na-atọrọ ndị mmadụ ma ọ bụ otu onye n'ime ndị na-azọ ọkwa. A na-egbukwa ndi ndị mmadụ. A na-ebutekwazị ọgbaghara dị iche ihe n'ime ya.

**Atụtụ Ederede**

Dị ka a kọwarala na agụmagụ bu ihe na-egosi ọnọdụ mmadụ n'obodo, ihe ndị na-eme eme, na echiche ha gbasara ndụ. Atụtụ a ga-eji tụcha abụ bụ atụtụ enyo ndụ nke a kpọrọ mirror image theory na Bekee, nke na-ekwu na agamụagụ na-arụ ọrụ dị ka enyo eji egosipụta ọdịbendị, ahụmịhe, na nsogbu ndị dị n'obodo (Abrams, 1953:36). Atụtụ enyo ndu bụ atụtụ agụmagụ nke onye nọ n'isi ngozo ya bụ nwaafọ mba Fransị aha ya bụ Louis-de-Bonald. N'echiche ya, ọ na-ekwu na a na-esite n'ịgụ agụmagụ mba ọ bụla wee mata ụdị ndụ na etu obodo si ebi ndụ. Ihe nke a na-akọwa bu na site n'agụmagụ a ga-enwe enyo ngosi ọnọdụ mba ọ bụla n'ozuzu oke. Vatsa (2006:119) kwadoro echiche a mgbe o kwuru na ihe ọma na ihe ọjọọ ọ bụla bụ ndị a na-egosipụta n'agụmagụ mba ahụ.
Atụtụ a dị mkpa n'abụ ederede gbadoro ukwụ na ntụliaka ọchịchị, n'ihi na ndị odeabụ na-eji ọrụ ha eme nnyocha na nkatọ banyere ihe ndị na-apụta ihe oge a na-eme ntụliaka ọchịchị. Atụtụ a gbadoro ukwụ na nkwenye na agụmagụ abụghị nke emeputara na nkịtị, kama ọ bụ nke emepụtara n'ihi ihe ndị na-eme n'oge ya. Ndị odee agụmagụ na-esite n'ihe ndị na-eme na gburugburu ha wee dee agụmagụ ha (Oraegbunam, 2023:9).Ya mere na atụtụ enyo ndụ na-enyere ọgụụ aka ịghọta na ndị odeabụ Igbo abụghi naanị ndị na-ezipụta ọrụ nka site n'abụ ha, kama ha bụ olu na-ada ụda n'obodo ha site n'ịkọwapụta ahụhụ ha na-ata na agbammbọ ha ka ihe dị mma.

**Nkọwa na Ntụcha Abụ a Họọrọ**

**Pọlitiks**

"Pọlitiks" bụ abụ a họọrọ n'*Ije ụwa* nke Okedịadị, N. Dị ka aha abụ a siri dị o ji okwu mbite bụ pọlitiks nke eji mkpụrụedemede Igbo zipụta wee malite. Abụ a malitere site n'ịkpọtụrụ ndọrọndọrọ ọchịchị dị ka ihe na-eme eme, ma sie ike nghọta. Odeabụ ji mmemmadụ we kọwapụta ike pọlitiksi na-akpa site n'ikwu na o

mere ihe daa ụjọ. Egwuregwu a a kpọrọ pọlitiksi aghọwo ihe na-atụ egwu nke na-eduhie mmadụ ụzọ ọkachasị ndị banyere na ya. Onye ọ bụla bịara n'ime ya na-amụta aghụghọ, nka ikwu okwu ụgha na omume adịghị mma. Ndị ndọrọndọrọ ọchịchị anaghị ekwu eziokwu; ha na-eji okwu aghughọ bụ 'echi' (ụbọchị echi) zeere ime ihe ha kwesịrị ime taa. Nke a na-egosikwazị ngharịpụ mmezu nkwa ha kwere ndị mmadụ mgbe ha na-achụ nta nkwado ntụliaka ọchịchị ha. Ọ sị:

Pọlitiksi
Ndọrọndọrọ ọchịchị!
Egwuregwu nke dị n'ikuku ugbua
O mere ihe daa ụjọ
Egwuregwu nduhie
Onye baa na ya
Ọ mụta ịgha ụgha na ịghọ ahụhọ
A na-ekwu maka taa,
Ọ na-ekwu maka echi.

Nkebiabụ nke abụọ na-elekwasị anya na mmetụta ndọrọndọrọ ọchịchị na ndụ mmadụ. Nke a na-akọwa ka ndị mmadụ bụ ndị a na-achị achị sizi ahụta ndọrọndọrọ ọchịchị. Ufọdụ ahụtala ya dị ka ihe nkịtị tara akpụ nke karịrị ike ha, ma na-adapụta site n'afọ rue afọ. Echiche ndi mmadụ gosikwara na ọtụtu ihe na-adaputa ma akọwa akụkọ ndọrọndọrọ ọchịchị na Naịjịrịa. Ihe ndị gụnyere: ị nara ndị nọ ọchichị ego na ihe onyinye ka e wee mezuo uche ha, ntọrọ mmadụ na igbu mmadụ, emejupụtaghị nkwa dum ha kwere, na ịla akụ ọha obodo n'iyi. Ọ kpọpụtara ọchịchị dị ka ihe na-ebute ọnwụ na mmegbu ndị mmadụ.

Pọlitiks
Ihe so ụbọchị agafe.
Ihe so gị karịrị akarị.
Nkwafu ọbara na iri ngarị
Okwu ụgha na ịla akụ n'iyi

N'itinye atụtụ enyo ndụ na ntụcha a, a ga-ahụ na abụ a bụ pọlitiksi nọ dị ka enyo nke na-egosipụta etu ntụliaka ọchịchị Naịjịrịa siri dobe ime na ọnụ. O gosipụtara na otu ihe pụrụ iche e jiri mara ya bu ikwe nkwa anaghị emezu emezu site n'aka ndị nọ n'ọkwa ọchịchị. Nkwa dum ha ji obi ọcha ha kwe mgbe ha na-achụ nta nkwado bụ na ya ka ha na-anọ amụta aghụghọ. Ufọdụ ga-ekwe nkwa ọtụtụ ihe ha ga-eme, mana mgbe ha tuuru ugo na ntụliaka, enweghị nke ha ga-echeta. Ma mmiri na ọkụ eletrik ha kwere nkwa na ọ ga-abụ n'efu; o nweghịzị nke ha ga-emezu. Abụ a bụ *pọlitiksi* gosiri ọgụụ dị ka enyo, na ntụliaka ọchịchị Naịjịrịa bụ ihe juputara na tigbuo zogbuo na ọgbaaghara na-ebute mwufu ọbara na ịla akụ n'iyi.

Dị ka enyo, echiche ndị e zipụtara n'abụ a bụ ihe ndị mere n'oge ntụliaka ọchịchị Naịjịrịa. SMB (2023) na ndekọ ka ihe siri gaa na ndọrọndọrọ ọchịchị afọ 2023 na Naịjịrịa kọrọ etu ogbaaghara siri zoo ka mmriri n'oge ahụ, ndị ahụtakwazịrị n'usoro nzikọrịtaozi dị iche iche. N'Idanre dị n' Ondo steeti, ndị oji egbe aga gbagburu otu onye ma gbuo mmadụ abụọ. N'Edo, otu nwaanyị e kwuru na ọ na-akwado Labour Party ka asụrụ mma n'ihu n'ụbọchị ntụliaka n'ọgbọ ebe a na-atụ vootu n'ụbọchị ntụliaka bụ abalị iri abụọ na ise nke ọnwa Febụarị. Na Lagos steeti, ọtụtu ndị akpu obi bịara ghasaa ma kposasịa ndị nọ n'ọgbọ na-atụ vootu na mpaghara dị iche iche iche nke steeti ahụ. A hụtakwazịrị ọnọdụ ndị akpụobi a na steeti Plateau na kwa steeti ndị ọzọ na Naịjịrịa ebe e kposasịrị ma chụsasịa ndị bịara ịtụ vootu ma ọ bụ ndị na-agụkọ vootu. Nke a mere Harold Lasswell (1936) jiri hụ ndọrọndọrọ ọchịchị dị ka 'onye na-enweta gịnị, olee mgbe o nwetara ya, na olee etu o siri nweta ya?' Na Naịjịrịa, site n'abụ a na-atụcha, 'ihe' Laswell na-ekwu maka ya bụ nke a na-enwetakarị site n'iri ngari na site n'ịkwafu ọbara.

**Ndọrọndọrọ Naịjịrịa**

"Ndọrọndọrọ Naịjịrịa." bụ Abụ a họọrọ n'*Uche Bụ Akpa* nke Anozie, C.C. dere. Abụ a gosipụtara ọnọdụ ndọrọndọrọ ọchịchị na Naịjịrịa. Ọ gbadoro ụkwụ na nkwa efu na aghụghọ ndọrọndọrọ ọchịchị Naịjịrịa. O

kpughekwara nkewa na esemokwu agbụrụ n’ime Naịjirịa, ndị na-adapụtakarị n’oge ntụliaka ọchịchị Naịjirịa, mmegide na mmegbu ndị ọrụ na ọha mmadụ, nsogbu akụ na ụba, na enweghị ezi nchekwa ndụ na ngwongwo ndị mmadụ. Odeabụ mekwara ka amara maka nchekasị ahụ ọ na-enwe banyere ọdịnihu ala Naịjirịa, arịrịọ ya na ekpere ka Chineke weghachite udo na Naịjirịa. Isiokwu na echiche dị n’abụ a hiri nne dị ka odeabụ gbalịrị iji nkebiabụ abụ iri nke ahịrịabụ ha dagharịrị adagharị were gosipụta ọnọdụ ndọrọndọrọ ọchịchị na Naịjirịa. A ga-ahọọrọ naanị nkebiabụ ndị kọrọ maka nsogbu ntụliaka ọchịchị Naịjirịa gụnyere: ikwe nkwa efu na emezughị nkwa, ịzụ na ire vootu na kwazị ọgbaghaara na tigbuo na zọgbuo na-adapụta n’oge ntụliaka ọchịchị.

Nkebiabụ nke mbụ jiiri enyookwu eme ka ọgụụ nwee nhụrụnuche dị ka ọ kọwapụtara na nkenke, ihe dum jupụtara na ndọrọndọrọ ọchịchị Naịjirịa site n’izipụta na ndị ọchịchị na-emefu ego wee chọta ndị gbara agba ma nwee akpụ obi-ndị ha ji ebute ọgbaaghara n’oge ntụliaka ọchịchị. Na Naịjirịa, ndị a a na-ekwu maka ha ka ndị ndọrọndọrọ ọchịchị na-edunye ka ha gaa gbuo onye iro ma ọ bu onye na-azọ ọkwa nọ n n’otu paati ọzọ. Ndị akpụ obi a na-agakwazị chụsasịa ndị mmadụ bịara ige ntị oge onye na-azọ ọkwa ọchịchị na-achụ nta nkwado. Ọtụtụ mgbe, ha na-aga n’ọgbọ ebe a na-atu vootu, chụsasịa ndị mmadụ, kposasịa ma mebisịa ngwongwo ndị eji atụ vootu. Ha nwere ike bụru igbe eji atụ vootu gbaa ọsọ gaa binye aka n’aha onye na ndị ziri ha ọrụ. Ọ bụkwazị ndị akpụ obi a abụ a na-ekwu maka ha bụ ndị na-atọrọ onye na-azọ ọkwa ma ọbụ onye/ndị ọrụ n’ụlọ ọru ala Naịjirịa na-ahụ maka ịchikọba nhopụta bụ INEC, bagide ha ka o mee mpụ site n’ịgụkọ ụbara vootu n’aha onye/ndị ziri ha ọrụ, nke ga-eme ka onye ahụ tụụrụ ugo. N’agbanyeghị na odeabụ kwukatara maka aka ọrụ ụmụ ajọ nwa ndị a a na-eku n’ikpere, ọ mababara kwuwe maka anaghị emezụ nkwa nke ndị ndọrọndọrọ ọchịchị na-ekwe. Nke a na-egosi ihe isi ike na iwe na-ewe odeabụ. Ọtụtụ na-ekwu ihe, mana aghụghọ juru n’ime okwu ha. O ji ahịrịabụ nke atọ na anọ mee nke ahụ. O chighakwara azụ kwuwe maka ọgbaaghara nke na-adapụta n’ihi ajọ obi na etu o si ewu ndị ndọrọndọrọ ọchịchị ewu ịbanye n’ọchịchị. O ji Igbuduokwu wee ziputa ajọ obi ndị ndọrọndọrọ ọchịchị. Ọ sị:

Ndọrọndọrọ Naịjirịa
Jupụtara n’akpụ obi
Tigbuo zọgbuo,
Okwe nkwa
Emeghi eme
Ịkọ ọnụ
Nkatọ
Iwe dị n’obi, ọchị dị n’eze

Site na Nkebiabụ nke abụọ, okwu Igbo na ọ bụ site na be ete ka esi eje be nkwụ bụ nke pụtara ihe, n’ihi na odeabu ji nkebi nke mbụ wee tọọ ntọala ihe mere na nke abụọ. Ọ kọwara na nkewa agbụrụ na mpaghara-ndọrọndọrọ Naịjirịa agbasasịla ụmụafọ ala anyị a. A dịghịzi imekọ ihe ọnụ. Nke a butere nkewa na esemokwu agbụrụ. Ọnọdụ a na-apụtakari ihe n’ụdị nrube isi na nkwado a na-enye ndị na-azọ ọkwa n’oge ntụliaka ọchịchị. Ndị mmadụ na-akwado otu paatị ma ọ bụ onye na-azọ ọkwa ọchịchị n’ihi na onye ahụ bụ onye ekepemekpe ha ma ọ bụ agbụrụ ha, n’agbanyeghi ajọ ihe na amaghị mee dum e jiri mara onye ahụ. Ọ sị:

Naịjirịa niile kwụrụ iche iche
Ndị ugwu
Ndị ndịda
Ndị Ọwụwa anyanwụ
Ndị ọdịda anyanwụ

E lee anya na nkebiabụ nke atọ, odeabụ ji mbụrụ kọwaa ihe eji mmadụ eme n’oge ndọrọndọrọ ọchịchị ala Naịjirịa. Nke a na-egosi iji mmadụ dị ka ngwa agha na ndọrọndọrọ, tinyere nghọrị ụmụnwaanyị ndị nwere ụbara ọnụọgụ site n’ịzụụrụ ụmụnwaanyị abada, ike ha nnu na ego oge a na-eme ntụliaka ọchịchị iji hụ na

mmeri bịara ndị ọchịchị. Ụfọdụ ndị tozuru ịtụ vootu n'anọ ọtụtụ mgbe jiri aka ha na-achọ ndị ọchịchị ga-akwụ ha ụgwọ ma ọ bụ nye ha ihe onyinye ka ha resi ndị ahụ vootu ha. Nke a na-apụtakarị ihe na ndọrọndọrọ ọchịchị Naịjirịa; nke a kpọrọ ịtụ na ire vootu. Ịzụta vootu bụ ndị na-atụ vootu ntụliaka ịnata uru na ihe onwunwe site n'aka ndị ọchịchị iji kwalite nkwado na ntụliaka (Carreras na Irepoglu, 2013:611). Ọ gụnyekwara ịkwụ ndị na-atụ vootu ụgwọ iji kpalie ha ka ha tunyere otu onye. Nkebiabụ nke a kọwara na ọ bụ ego e kwesịrị iji kwụ ndị ọrụ ụgwọ ka a na-emefu.

E webatara ekwuọzọ echeọzọ wee kọwaa na ndị ọchịchị na-eji mgbasa ozi redio ezi ozi aghụghọ, ebe ha na-ekwu na ha wertara ihe ndị a: ọkụ eletrik, ezi mmiri ọṅụṅụ, ụlọ ọgwụ na ịkwụ ndị ọrụ ụgwọ, mana n'ezie, ha emeghị nke ọ bụla. Ọnọdụ a na a-apụtakarị ihe ugbua steeti niile na Naịjirịa nwere ụlọmgbasaozi nke aka ha. Ọtụtụ ndị otu ndọrọndọrọ ọchịchị na Naịjirịa nwere ụlọ mgbasa ozi redio na Tivii nke ha ji ego ọrụ obodo na ọkwa azụmahịa akwado. Nke a na-eme ka ụlọmgbasa ozi ndị na-eziri ha ozi ụgha mgbe niile. O nweghị steeti ị ga-abata na Naịjirịa ugbua ịghara ịchọpụta na otu ụlọ mgbasa ozi redio ma ọ bụ abụọ bụ otu Senatọ ma ọ bu omeiwu n'ogo etiti nwe ha. Odeabụ sị:

Mmadụ ka eji agwọ ọgwụ,  
Maka mmeri na ndọrọndọrọ  
Ịzụrụ ụmụnwaanyị abada  
Ike ha nnu na ego  
Akwụghị ndị ọrụ ụgwọ  
Ntu na aghụghọ  
Redio na-agara ha ozi  
A na-arụ uzọ na redio  
Ọgbapu mmiri na redio  
Etinye okụ latiriki  
Arụpụ ụlọogwu n'ike n'ike  
Akwụpụ ndị ọrụ ụgwọ n'egbughị oge

Nkebiabụ nke anọ kọwara na e nwere ọtụtụ otu ndọrọndọrọ ọchịchị paati. Otụtụ mgbe ọ bụrụ na oghere ịbụ onye ga-eji aha otu paati zọọ ọkwa dị iche iche eruteghị ụfọdụ maka ntụliaka ọchịchị, ha na-eji iwe hapụ paati ahụ gaa wube otu paati nke ha, ebe a ga-enye ha oghere ahụ erughi ha aka na paaati nke ọzọ. Abụ a kọwara na ndọrọndọrọ Naịjirịa bụ nke onye ọ bụla chọrọ ịchị, ma ọ bụ n'ụzọ ezi omume ma ọ bụ n'ụzọ aghụghọ. Ha chọrọ ịchị n'agbanyeghị ihe ọ bụla ha ga-eme na ntụliaka ọchịchị. Ọchịchị bụụrụ ha ihe egwuregwu. Nke a mere odeabụ jiri were ajụjụ nzaraonwe wee jụọ ma a na-azọ ọrụ ụzọ? Ọ sị:

Ọnu ọgu otu ndọrọndọrọ adịla egwu  
Onye ọ bụla chọrọ ịchị  
Ndị otu ndọrọndọrọ ejula ala a.  
Ndọrọndọrọ ife ala nna ha  
A na-azọ ọrụ ụzọ?

Ọhaneze enweghịzi ntụkwasị obi. Ụzọ e si emeso ndị mmadụ omume emeela ka ndị a na-achị achị ghara inwe olileanya na ihe ga-adị mma. Odeabu nọ na nkebiabụ nke ise a kọwapụta otu n'ime ọghọm na-adapụtawa n'ihi ihe ndị na-eme na nkebiabụ nke anọ. Nke a pụtara na ọnọdụ a ga-eme ka e nwee ọgbaaghara na ntụliaka ọchịchị n'ihi na onye ọ bụla chọọrọ ịchị n'erughị eru ma ọ bụ n'ike. Ọ na-emekwazị ka aghara inwe ezi nchekwa ndụ na akụnụba n'obodo n'ihi na ndị akpụ obi ka a na-eji akwara ngwa ọrụ n'igbu mmadụ na iweta ọgbaaghara n'obodo. Odeabụ ji akpalaokwu wee kọwapụta na ebe ọ bụla ụmụafọ Naịjirịa nọ n'oge ntụliaka ọchịchị na egwu na-atụ ha. Nkebiabụ a kọwakwara na ha nọ ọdị ndụ ọnwụ ka mma site n'iji ajụjụ nzaraonwe wee kwupụta na onweghị onye maara ihe ga-eme echi. Odeabụ sị:

Ntụkwasị obi adịghị

Agamnihu hịara ahụ.
Nchekwa ndụ na akunuba ekweghị
Ndị Naịjirịa chị obi n'aka
Otu anya ka eji arahụ ụla ugbua
Chi foo, e mee hịịị
Chi jibe, obi e koro mmadụ n'elu
Onye maara?
Onye maara nke ga-eme?
Ndị ga-efo chi na ndị...
Arụ emee n'ala a

E gosipụtara oke egwu na enweghị ntụkwasị obi gbasara ndọrọndọrọ ọchịchị na ọdịnihu ala Naịjirịa n'ihi ntụliaka ọchịchị afọ 2003. Na nkebiabụ nke asatọ, site na nrụtụaka afọ 2003, abụ a ji mmemmadụ kọwaa etu ụjọ si atụ onye ọ bụla n'ihi ihe na-eme n'oge ahụ dị ka ndị mmadụ na-akwadebe ntụliaka ọchịchị nke izugbe n'afọ ahụ. Ha na-echekwazị echiche banyere ihe ga-abụ mputara nhọputa ahụ n'afọ ndị ga-esochi ya. N'akụkọala Naijirịa, nhọpụta e mere n'afọ 2003 wetara ọtụ mgbanwe n'usoro ime ihe nke ọchịchị onye kwuo uche ya na steeti ụfọdụ nke Naịjirịa. Ọ bụkwa nke afọ ahụ mere na Anambra na steeti ụfọdụ steeti na Naịjirịa esoghị ndị ọzọ achịkọba nhọputa ọkwa gọvanọ n'oge ntụliaka izugbe. Ndị mmadụ juru ajụjụ nzaraonwe nke odeabụ ji ụrookwu zipụta. Ọ sị:

Ndọrọndọrọ nke afọ 2003 dị ime
Egwu ji onye ọ bụla
Ihe ga-esota 2003
Udo ka ọ bụ agha?
Ọnwụ ka ọ bụ ndụ?
Egwu ụfọdụ ndị ndọrọndọrọ
Na-elu ilu jagwụ jagwụ
Jagwụ jagwụ ọgwụ ịba
ọtụtụ na-agbaru afọ
Alụkọpa ka ha ụtọ
Ọtụtụ gbara ụka
Ofe ede gbara ụka ka ha ụtọ

Site na nkebiabụ nke ikpaazụ (iri), odeabụ ji olu arịrịọ na-arịọ Chineke ka ọ banye n'ọrụ. Nke a ga-eme ka ọgụụ nwee ntụgharị uche na olileanya na ihe nwekwara ike ịdị mma ọzọ. Odeabụ na-ekele Chukwu dị ka onye kere ụwa. Nke a gosipụtara nsọpụrụ, iwetu onwe ya n'ala n'iru Chineke na nkwenye n'ike Chukwu. E ji ilu Igbo kọwapụta olu arịrịọ ka Chineke ghara ikwe ka ihe ndị abụghị ezi ihe gaa n'ihu na-adapụta na ndọrọndọrọ ọchịchị Naịjirịa: "E kwekwala ka ngwere gbaa ajị." Abụ a kọwara na ndị mmadụ na ndọrọndọrọ ọchịchị bụ ike sitere n'ike Chukwu, nke na-egosi na ndị ọchịchị kwesịrị ị na-eme ya n'ụzọ dị nsọ, ma dị ọgọ. Ahịrịabụ ikpeazụ a na-egosi nkwenye na uche Chukwu ga-emerịrị n'agbanyeghị akparamagwa na mmejọ ndị ndọrọndọrọ ọchịchị.

Chukwu kere ụwa
Anọkwa m gị n'ụkwụ
Na ndị nọ gị n'aka akarịala
E kwekwala ka ngwere gbaa ajị
Ọchịchịrị emerikwala ihe
Zọpụta ụmụ gị
Ka ụwa mara
Na ịdị omimi

Mmadụ na ndọrọndọrọ bụ ọrụ aka gị
Uche gi ga-emerịrị.

Site n'usoro atụtụ enyo ndụ, a ga-achọpụta na abụ a bụ enyo e tinyere n'ihu ụmụafọ Naịjirịa. odeabụ na-eme ka ọ lebaa anya hụ na ihe e jiri mara ntụliaka ọchịchị Naịjirịa bụ ikwe nkwa efu na emezughị nkwa, ịzụ na ire vootu na kwazị ọgbaghaara na tigbuo na zọgbuo na-adapụta n'oge ntụliaka ọchịchị. Ọ kọwara na ihe na-eme na Naịjirịa abụghị ihe ọhụrụ, kama ọ bụ nke a na-ahụ kwa ụbọchị. Nke a na-eme ka abụ bụrụ enyo nke ndụ. Ka ọ dị ugbua na Naịjirịa, a na-ahụta otu ndọrọndọrọ ọchịchị APC dịka nke ndị Hausa: ndị ugwu, ebe PDP bụ maka ọtụtụ steetị ndị yoruba na ndị mba mmiri: ndị ndịda na ndị ọwụwa anyanwụ, ebe ndị Igbo ejibu otu PDP mara bụzị APGA na LP. Nke a mere ka e nwee ntụliaka ọchịchị dabere na agbụrụ onye si, nke gara n'ihu na-ebute ọtụtụ ndị kwee na ndị ekweghị, esemokwu na ogbaghara. Ọnọdụ dị etu a na-eme na ọtụtụ mgbe, a na-enwe ajọ ọchịchị obodo ma ọ bụ ihe ọjọ dị iche iche. Ndị mmadụ na akwado ọnọdụ ahụ, ghara ịsị na ọ dịghị mma n'ihi na onye ahụ sitere n'agbụrụ ha.

**Nchịkọta, Nchọpụta na Aro**

Ndị odeabụ Igbo na-eji abụ ha ekwupụta uche ha banyere ihe na-eme n'okirikiri ha, n'ihi na abụ bụ enyo nke ndụ mmadụ na obodo. Site na atụtụ enyo ndụ, a hụrụ na abụ ndị a bụ ụzọ ndị odeabụ si akọwa nsogbu ntụliaka ọchịchị Naịjirịa. Nchọpụta a gosipụtara na isiokwu dị na abụ ndị atụchara gụnyere: ikwe nkwa efu nke ndị ọchịchị na-eme ma ghara imezu; nrụrụ aka dị iche iche, ọkachasị ịzụta na ire vootu; esemokwu agbụrụ na ọchịchị dabere n'ebe mmadụ si; ọgbaghaara na tigbuo zọgbuo n'oge ntuliaka; na iji ụlọmgbasa ozi kwado ozi ụgha. Abụ ndị ahụ gosiri mgbakasị ahụ ndị mmadụ na-enwe n'ihi ajọ ọnọdụ ahụ, ma kpọọ oku ka e weghachite ntụkwasị obi na udo. Ọzọkwa, ndị odeabụ kwadoro echiche na ọchịchị kwesịrị ịdị nsọ, n'ihi na ike niile sitere n'aka Chineke.

N'ihi nke a ndị ọchịchị kwesịrị ị na-emezu nkwa ha n'ihi na abụ gosiri etu emejuputaghị nkwa siri bibie ntụkwasị obi. A tụpụtara aro inwe ntaramahụhụ siri ike ga-akwụsị ịzụ na ire vootu na ntụliaka ọchịchị Naịjirịa. Ọ dịkwazị mkpa ka a kwalite mmụta banyere ndọrọndọrọ ọchịchị, ma kesaa akụnaụba n'ụzọ ziri ezi n'eleghị anya n'agbụrụ ma ọ bụ mpaghara na ndọrọndọrọ ọchịchị onye si. Nke a ga-eweta ntụkwasị obi, mmepe zuru oke, na ezi mgbanwe na-adịgide adịgide na ndọrọndọrọ ọchịchị na ọchịchị obodo Naịjirịa

**Edensibia**


Anozie, C.C. (2007). *Uche bu akpa*. Onitsha: Varsity Press.

Carreras, M., & Irepoglu, Y. (2013). Trust in elections, vote buying, and turnout in Latin America. *Electoral Studies*, *32*, 609–619.

Ekwealor, C. C. (2009). *Agụmagụ ederede Igbo n'ozuzu oke.* Enugu: Paschal Communication.

Ikwubuzo, I. and Igboanusi, H.S (2020) Survey of the literature in Igbo. *National Open University of Nigeria Course book.*

Mbah, B. M., Mbah, E. E., Ikeokwu, E. S., Okeke, C. O., Nweze, I. M., Ugwuona, C. N., Akaeze, C. M., Onu, J. O., Eze, E. A., Prezi, G. O. & Odii, B. C. (2013). *Igbo adị: English – Igbo dictionary of linguistics and literary terms*. Nsukka: University of Nigeria Press.

Mbata, C.O. and Nwizu, P.C. (2016) Nigerian politics and democracy: a perspective of Igbo literature. Odezuruigbo: *An International Journal of Igbo, African & Asian Studies, Maiden edition*. 63-72.

Mmaduabuchi, G. S. (2015). Elections and voting behavior. In R. Anifowose & F. C. Enemuo (Eds.), *Element of Politics*. Lagos: Sam Iroanusi Publications.

Nnyigide, N.M & Egenti, M.C (2013). African unity, identity and development in some contemporary igbo poems. *Ogirisi: a New Journal of African Studies* vol 10. 36-59.

Nnyigide, N.M. (2024). *Modern Igbo poetry* Unpublished lecturer Notes. Department of Igbo, African and Communication Studies, Nnamdị Azikiwe University, Awka.

Nwadike, I. U. (1992). *Ntọala Agụmagụ*. Nsukka: Ifunanya Publishers Nigeria.

Nwadike, I. U. (2003). *Agụmagụ Ọdịnala Igbo (Igbo Oral Literature)*. Onitsha: Africana First Publishers.

Obi, N. M (2009). The role of literature in national development in Eyisi, J., Odimegwu, I. na Ezenwa-Ohaeto, N. *African Literature and Development in the Twenty- First Century*. Owerri: Living Flames Resources, 61-73.

Okediadi, A.N. (2003). *Ije ụwa*, Enugu: Fulladu Publishing Company.

Okoye, D.C (2023)Investigating Students' Attitude Towards Learning Literature in English in Secondary Schools. *International Journal of Language Education (IJLE)* Vol.*1*(1), 27-33.

Oraegbunam, C.U (2023) Portrayal of corruption and image of Nigerian leaders in written Igbo poetry: A mirror image reading. R*esearch Journal of Language, Literature and Humanities, Vol 10*, (1), 8-16.

Vatsa, S. (2016). Literature is the mirror of society but must be able to see the mirrored. *International Journal of English Language, Literature and Humanities*, 115-124.